# NJIAMAATỤ N'AKWỤKWỌ AGỤMAGỤ IGBO: NNYOCHA *ALA BINGO*NA *ELELỊA NA IHE O MERE.*

Si N'Aka
**Edith U. Nwobu**
Ngalaba Amụmamụ Igbo, Afrịka na Eshia
Mahadum Nnamdi Azikiwe, Ọka
eu.nwobu@unizik.edu.ng, 08037528739

Na
**Precious O. Akidi**
Ngalaba amụmamụ Igbo, Afrịka na Eshia
Mahadum Nnamdi Azikiwe, Ọka
09083756565

**Ụmị edemede**
*Nchọcha a bụ maka nnyocha njiamaatụ n'agụmagụ Igbo, site n'igbado ụkwụ **n'Ala Bingo** na **Elelịa Na Ihe O mere**, nke D. N. Achara dere. Nchọcha a bụ nke ebumnuche ya bụ igosipụta ụzọ dị iche iche odee si esite n'agwa na echiche dị iche iche pụtagasịrị ihè n'akwụkwọ abụọ ndị a zipụta mmetụta njiamaatụ n'ụwa a na-ahụ anya. N'ụwa a na-ahụ anya, ọtụtụ agwa na-arụ ọrụ naya. ọ bụ ya kpatara nchọcha a jiri bụrụ nchọcha ntinye n'ọrụ. N'iji mee nchọcha a n'etu dị mma, a na-agbaso atụtụ njiamaatụ n'ịtụcha ngwa nchọcha. Agwa ndị ahụ gụnyere nke Eze ọgara ọrụ n'afọ lọta n'afọ, ọgụ, Mgba, Nnụnụ, Afọ Afọ, Atimkpara, ọkpụ nkọ ntị, Elelịa naEze amaghị ihe ọma. Nchọpụta nchọcha a na-egosi na agwa ndị a si n'agụmagụ abụọ a na-ezipụta njiamaatụ ihe ndị na-eme n'ụwa. A chọpụtakwara na odee zipụtara echiche dị iche iche ndị gụnyere; amamihe, ogologo ntachi obi, mpako, ọhụ, ihu ọma, mmegbu iji mee ka a hụ na ndị odee ji agụmagụ ha eme ugegbe ihe na-eme n'ụwa mmadụ.*

## 1.0 Okwu mmalite

Isiokwu a na-eleba anya n'edemede a bụ Njiamaatụ n'Akwụkwọ Agụmagụ Igbo: Nnyocha *Ala Bingo* na *Elelịa Na Ihe O Mere* nke D. N. Achara. Akụkọ njiamaatụ so n'otu akụkọ ọdịnaala ndị Igbo nwere. Ọ bụ ụdị akụkọ bụ naanị n'ịma atụ ka o nwere ike ime. N'agbanyeghị na ọ na-ezipụta ọtụtụ ihe gbasara usoro obibi ndụ ụmụ mmadụ na ọtụtụ ihe na-eme n'ụwa a na-ahụ anya, akụkọ njiamaatụ enweghị ike imenwu kpọmkwem n'ụwa a na-ahụ anya. Mana odee na-eji asụsụ mee ka ọgụụ chemie echiche ime gbasara ụwa a na-ahụ anya. Ebube niile agụmagụ nwere bụ asụsụ. E wezụga asụsụ a pụghị inwe ihe ọ bụla dị ka agụmagụ. Onye na-amụ asụsụ na-esite n'agụmagụ amụta ka asụsụ ahụ si arụ ọrụ dị iche iche.

Ebumnobi nchọcha a bụ inyocha njiamatụ n'agụmagụ Igbo, site n'ịgbado ụkwụ n'*Ala Bingo* na *Elelịa Na Ihe O Mere*. A ga-egosipụta ụzọ dị iche iche odee si site n'agwa dị iche iche pụtagasịrị ihe n'akwụkwọ abụọ ndị a zipụta mmetụta njiamaatụ n'ụwa a na-ahụ anya.

Usoro a gbasoro wee mee nchọcha a bụ nke ntinye n'ọrụ. Ọ bụ atụtụ njiamaatụ ka e ji tụchaa ngwaa nchọcha. Nhazi nchọcha a gụnyere:Okwu mmalite: N'ebe a ka a kọwara na nkenke gbasara edemede nchọcha a. Ntụlegharị agụmagụ: ọ bụ n'ebe a ka a tụlegharịrị nchọcha ndị e merela gbasara isiokwu nchọcha a. Ntụcha nchọcha: N'ebe a ka a nọọrọ tọghee ma tụchaa agwa dị iche iche pụtara ihe n'akwụkwọ Igbo ndị a họọrọ. Nchịkọta nchọpụta: Ebe a, a chịkọtara nchọpụta sitere na nchọcha e mere. Mmechi: N'ebe a ka a chịkọtara ma kapịa nchọcha e mere ọnụ.

Nchọcha a dị ezigbo mkpa n'ihi na ọ ga-etinyeso n'akwụkwọ edemede nchọcha dị n'asụsụ Igbo ma nyere ndị mmadụ aka inwe ezi nghọta mgbe ha na-agụ akwụkwọ agụmagụ, tụmadị nke njiamaatụ.

## 2.0 Ntụlegharị Agụmagụ

Asụsụ bụ ihe mmadụ ji ebi ndụ. Ma mgbe mmadụ mu anya ma mgbe ọ na-arahụ ụra, ọ na-asụ asụsụ. Karịchaa iheniile, asụsụ bụ ihe mere mmadụ ha pụọ iche n'ebe anụmanụ nọ. Nke a mere Fromkin, Rodman na Hyams (2014:1) ji sị na nsirihụụwa ndị ụfọdụ n'Afịrịka bụ na nwa a mụrụ ọhụụ bụ ihe ganye na o bido ikwu o wee bụrụ mmadụ. Ihe ọ pụtara bụ na ọ bụ asụsụ mere mmadụ mmadụ. Ha gara n'ihu si n'ọnụ Whorf kwuo na mmadụ na-eji asụsụ ya abọka ọnatarachi dị n'ụwa.

Amberg na Vause (2009) kọwara asụsụ dị ka ụzọ nnwekọrịta. Ha sị na iji nwee ezi nnwekọrịta, a ga-enwerịrị asụsụ n'etiti mmadụ na ibe ya. Nke ziputara na ihe jikọrọ mmadụ na agụmagụ bụ asụsụ.

Agụmagụ bụ nka. Ọ bụ ihe dị iche iche mmadụ chepụtara ma kọpụta, gụpụta, mepụta ma ọ bụ depụta n'akwụkwọ ka ndị ọzọ nwee ike iketa oke na ya. Nke a kwadoro ihe Nwadike (1992:12) kwuru maka agụmagụ, na ọ bụ "ọrụ nka nke sitere n'echiche pụta ma bụrụ nke e si na ya egosipụta ma na-ahụ ndụ". Agụmagụ bụ otu n'ime omenala mmadụ nwere. ọ bụ ụzọ mmadụ si ezipụta nka na echemeche ya. Canfield (1981) ziputara na agụmagụ n'ọdịdị ya na-ekwu na-akọwanye gbasara ndụ ndị, obodo, ọnọdụ, ihe mere mmadụ na nkenke. O kwukwara na agụmagụ dị ka ihe ọ bụla mmadụ kwuru ma ọ bụ deturu nke na-eziputa ihe mere mmadụ na ihe nchepụta n'agbanyeghị ụdị ọ dị na ya. Ya mere a ga-asị na agụmagụ bụ echereche niile e ziputara n'ụdị nka nke na-eziputa obodo na ndị nọ na ya.

Agụmagụ dị n'ụdị dị iche iche. E nwere agụmagụ ọnụ bụ nke a kọrọ n'ọnụ site n'ọgbọ fere n'ọgbọ. Agụmagụ ederede bụ ụdị agụmagụ ọzọ. Nke a bụ nke e deturu n'akwụkwọ gbasara ihe dị iche iche. Ọzọ bụ nke nkiri bụ nke a na-emepụta na nkwago onye ọ bụla ana ekiri. Agụmagụ nwere ngalaba atọ n'ozuzu oke ya, akụkọ, ejije na abụ. A bịa n'akụkọ, e nwere nke mere eme na nke a rọrọ arọ. Nke a gbadoro ụkwụ na ya n'edemede a bụ nke a rọrọ arọ.Agụmagụ a rọrọ arọ bụ agụmagụ emeghị eme. Ọ bụ nke sitere n'ime anya echiche mmadụ pụta.

O nwere ọrụ dị iche iche agụmagụ na-arụ na ndụ mmadụ. Na mbụ, agụmagụ na-akụzi asụsụ. E si n'agụmagụ amụtawanye asụsụ. Oge mmadụ na-agụ, ege ma ọ bụ ekiri agụmagụ, ọ na-amụta mkpụrụokwu asụsụ ahụ na etu asụsụ dị etu a si arụ ọrụ. A na-esite n'agụmagụ ahafe omenala na nsirihụndụ ndị. ọ bụ site n'agụmagụ ka e si echekwa omenala obodo. Agụmagụ na-ahazikwa agwa mmadụ. Oge mmadụ na-agụ agụmagụ, ọ na-esi nay a mụta ihe dị mma na nke adịghị mma. N'oge gboo, ọ bụ agụmagụ ọdịnala ka ndị Igbo na-agbado ụkwụ were azụlite ụmụ ha. Ha na-akọrọ ụmụaka ụdị akụkọ ọdịnala dị iche iche iji zụọ echiche na amimihe ha. Mana ta a e detuola ọtụtụ akụkọ ọdịnala ndị Igbo n'akwụkwọ n'ụdị na onye chọọ o goro ya gụọ ebe ọ bụla na oge ọ bụla na-echeghị ka ọkọ akụkọ bịa kọọ ya. Akụkọ ndị ahụ na-abụkarị njiamaatụ.

Agụmagụ njiamaatụ bụ ụdị agụmagụ emeghị eme. Ọ na-abụkarị ihe nwere ike ime naanị n'echiche mmadụ ma ọ bụ na nrọ. A na-eji ya eme ihe ngosi gbasara ụwa a na-ahụ anya. Nwadike (1992) kọwara akụkọ njiamaatụ dị ka ihe niile na-eme ka nrọ, ihe ndị na-eme na ya anaghị eso usoro ndụ na chi, mmadụ anaghị anwụ anwụ. ọ nwụgodụ site n'otu ihe ma ọ bụ ọzọ o bilitekwa. Ihe niile na-aga werewere n'enweghị nsogbu. Nsogbu dịgodị agwa nzọpụta na-abia zọpụta onye nọ na mkpa, ihe ndagide na mkpagbu na-abụ na nwa oge, ihe niile adịrịkwa mma. N'uche Abrams na Harpham (2012:16), njiamaatụ na-ekwu maka ọdịdị ihe dị iche iche, ọdịdị akparamagwa, ụdị omume dị iche iche, isiokwu na inyege na-apụta ihe n'ụdị agụmagụ dị iche iche, nkọmịrịkọ, na nrọ. Ha kọwara na a na-enwe ihe ndị a dị ka etui he si aga n'echiche mmadụ nke mpụta ihe ya n'agụmagụ na-eme ka ọgụụ agụmagụ chemie echiche ime maka na ọ na-eketa oke na njiamaatụ odee zipụtara n'akwụkwọ ya. Na nkọwa ya, Ibitola (2015) sị na akụkọ njiamaatụ dị ka agụmagụ ndị ahụ na-agba ama ihe ndị n'enweghị ike imenwu eme mana ọ bụ ihe mmadụ nwere ike iji uche ya mata ihe ọ na-ekwu maka ya. Iji kwado nkọwa Ibitola, Obidiebube (2011) kwuru na akụkọ njiamaatụ bụ ihe ndị na-apụghị ime eme, ihe ndị na-eme na ya anaghị eso usoro ndụ na usoro okike, ọ gakwara n'ihu ikwu na mmadụ na-anọdụ na- epotori n'enweghị nsogbu ọ bụla. Ya bụ, ihe niile na-eme n'akụkọ ahụ na-eme ka nrọ, dị ka n'akwụkwọ *Ala Bingo*, Eze ọ gara ọlụ n'afọ lọta n'afọ bi n'eligwe ma birikwa n'elu ụwa bụ Ala Bingo. N'akwụkwọ akụkọ *Elelia na Ihe O Mere* ụmụ nnụnụ mere ka Elelia na-anụ asụsụ ụmụ anụmanụ. Eze amaghị ihe

ọma ghọọrọ oke tapuo akpati a rụrụ okpukpu asaa. Ihe ndị a niile gara n'akụkọ abụọ, ma aha dị iche iche a kpọgasịrị n'akwụkwọ a pụrụ iche. N'ebe a anyị ghọtara na akụkọ njiamaatụ bụ ihe ndị ahụ na-enweghị ike imenwu eme, ma aha ma ebe dị iche iche a kpọgasịrị aha dị iche iche bụcha ihe ndị anaghị anụ n'ụwa mmadụ a na-ahụ anya. Ya mere akụkọ njiamaatụ bụ akụkọ nwere ike ime naanị n'ụwa a maghị ebe ọ dị. Agwa a na-ezipụtakarị na ya na-enwe onyinye pụrụ iche nke na-eme ka o nwe ike ime ihe mmadụ nkịtị na-apụghị ime. Ọzọ, n'akụkọ njiamaatụ, a na-enwe dike a na-elegara anya dị ka onye nzọpụta. Njiamaatụ nwere ike ịbụ ihe ngosi, inyege, akparamagwa na ebe nziputa.

## 2.1 Ntụlegharị Atụtụ

Atụtụ njiamaatụ bụ Maud Bodkin chọpụtara ya n'afọ 1934 site n'edemede ya, *Archetypal Patterns in Poetry*. Njiamaatụ na-akọwa etui he si esi n'ụzọ dị okirikiri, nakwa ọdịdị omenala, ọdịbendị, inyege na nkwenye emetụta agụmagụ. Ọ bụ nkwenye atụtụ a na ihe ngosi ụfọdụ na-eziputa otu ụdị echiche n'agbanyeghị ebe na oge. Ndị odee na-agbado ụkwụ n'ihe ngosi iji wepụta echiche dị aṅaa n'ebe ọgụụ nọ. Njiamaatụ nwere adịmike n'ụzọ dị iche iche. Nke mbụ bụ na ọ na-achọ ihe ngosi dị n'agụmagụ na mpụtara ha. ọzọ, nnukwu ngwaọrụ e ji akụzi ma na-ezipụta mmetụta, nkwenye na echiche. Ọ na-eme ka a mata ihe mere agụmagụ ji emetụ ime mmụọ ọgụụ.

N'aka nke ọzọ, e nwere ụfọdụ ebe atụtụ a riri mperi. Ụfọdụ mmadụ ekwenyeghị na atụtụ a n'ihi na ha na-ekwu na ọ na-ewezụga akanka odee mee ka ihe niile ghakọta ọnụ. Ọzọ bụ na mmadụ nwere ike iche echiche gbasara ihe ngosi ndị a pụọ n'ebumnobi odee agụmagụ. Mana nkọcha ndị a emeghị ka atụtụ a ghara ịna aga n'ihu. A họọrọ atụtụ njiamaatụ maka edemede a n'ihi na ihe ngosi dị iche iche pụtara ìhè n'akwụkwọ ọgụgụ ndị a họọrọ.

## 2.2 Nchịkọta akụkọ dị n'akwụkwọ a họọrọ

### 2.2.1 Akụkọ *Ala Bingo*

Akụkọ dị n'*Ala Bingo* bụ gbasara otu onye eze a na-akpọ ọgara ọlụ n'afọ lọta n'afọ. Eze a bi n'elu igwe birikwa n'Ala Bingo. Mgbe ọ bụla eze a gbagoro elu igwe, a na-enwe udu mmiri n'ụwa. ọ gbadata n'ụwa, e nwee ọkọchị. Mana otu ụbọchị ọ bịara Ala Bingo, ọ hụrụ nzọ ụkwụ mmadụ. Nke gbara ya gharịị, mee ka obi ya ghara ịnọ n'ezumike n'ihi na o chere na o nwere ndị na-abịa ịnara ya ala eze ya. O bidoro ịgba mbọ ka ọ hụ onye nwe nzọ ụkwụ ahụ. Eze ọgara ọlụ n'afọ lọta n'afọ mechara chọta onye nwe nzọ ụkwụ ahụ site n'enyemaka otu n'ime ndị ohu ya mana oge ọ chọtara onye nwe nzọ ụkwụ ahụ ka ihe na-eme ya ka njọ n'ihi na mma nwaagbọghọ nwe nzọ ụkwụ ahụ mebiri ya isi. O wee chọsie ike ijide ma lụọ ya. Nke a megidere ganye na ndị ohu ya kelere ya ọ sị "Ehee

Adaeze bi n'osimiri Bingo." E mechara ndị ohu ya nyere ya aka site n'ịgwa ya ihe ọ ga-eme wee jide ma lụọ nwaanyị ahụ n'agbanyeghị na ọ dịghị eleta ha anya. ọ lụrụ nwaagbọghọ ahụ ma mụta ụmụ nwoke abụọ aha ha bụ ọgụ na Mgba.

E mechaa oge ọ chọrọ ịmata onye ga-anọchi anya ya mgbe ọ nọghịzị, o nye ụmụ ya abụọ ihe ha ga-eme na ajụjụ ha ga-aza. Nke a bụ ka o wee mara onye ka sie ike nakwa onye ka nwee amamihe. Ọgụ nwetakarịrị nwanne ya bụ Mgba n'ihe a chọrọ. O wee bụrụ ya ga-anọchi anya nna ha ma a chọọ ya a hụghị. Nke mere na ọ bụ diọkpara na-anọchi anya nna ya ma ọ nwụọ.

### 2.2.2 Akụkọ *Elelịa Na Ihe O Mere*

*Elelịa Na Ihe O Mere* bụ akụkọ gbasara nwata nwoke a na-akpọ Elelịa na eze obodo ha bụ Amaghị ihe ọma. Elelịa bụ onye Asan dị na Krọsụ Riva. Ọ bụ naanị nwa ụkpabi na nwunye ya mụtara. Elelịa bidoro ka ọ dị na nwata chebe etu ọ ga-esi nweta ego iji nyere nne na nna ya aka n'ihi na ha bụ ogbenye. N'ihi nke a, ọ na-akụ azụ ma na-esikwa ọnya o ji amata anụ dị iche iche. Mana nwata nwoke a bụ onye obi ebere nke mere na ọ bịa ileta ọnya ya ọ bụrụ na anụ ọ matara ka dị ndụ, ọ na-atọhapụ anụ dị etu a ka ọ gaba.

Eze amaghị ihe ọma n'aka nke ya bụ eze na-achị obodo Elelịa ha. Dị ka aha ya si dị, ọ maghị ihe ọma. ọ bụ ya ka Elelịa na-eresị anụ na azụ ọ na-egbu mana obi adighị yamma n'ebe Elelịa nọ. ọ nọgidere were kalari nye Elelịa ka o debe ma mechaa ghọrọ oke tapuo akpati okpukpu asaa ga were ya tụnye n'ime osimiri. O mechara nke a, gwa Elelịa ka o je wetara ya kalarị o nyere ya. ụmụ nnụnụ na ụmụ anụmanụ dị iche iche nyeere Elelịa aka n'ime nke a n'ihi obi ebere ya n'ebe ụmụ anụmanụ dị. Eze mechara gwa Elelịa ka o je lụta nwa Nwọgụ n'ihi na ọ chọrọ ihe ga-eme Elelịa ka ọ nwụọ. Mana n'ihi obi ebere na ezi omume Elelịa ihe dị iche iche pụtara ìhè inyere ya aka. O jere lụta ada Nwọgụ ma lata.

## 2.3 Agwa ụfọdụ pụtara ìhè n'akwụkwọ ndị a họọrọ

### 2.3.1 Agwa ụfọdụ pụtara ìhè n'*Ala Bingo*

**i. Eze ọgara ọlụ n'afọ lọta n'afọ**

Eze a bụ isi agwa nọ n'akụkọ a. Odee kọwara eze a dị ka onye nwere ebe obibi abụọ, Ala Bingo na n'Elu Igwe. Achara (AB, 1981:3) kọwara Eze a sị:

> ọtụtụ mgbe ọ na-agba mmadụ niile gharịị etu anyị si enwe ihe a na-akpọ, ọkọchị na udummiri. Ọ bụ onye eze a na-eme ihe niile ndị a. Ebe o wuru otu

> ụlọ ya bụ n'Elu Igwe; ebe o wuru ọzọ bụ na Bingo.

Odee akwụkwọ a kọwapụtara na ọ bụ nanị Eze a bụ ihe maara ụzọ Ala Bingo tutu o mee ka ndịohu ya matakwa ebe ahụ, ewezụga ha ọdịghị onye ọzọ maara ebe ahụ.

**ii. Ọgụ**

Ọgụ bụ ọkpara Eze ọgara ọlụ n'afọ lọta n'afọ. ọ bụ onye siri ike nke ọkpụkpụ aka.N'ihi nke a, ya na mmadụ na anụmanụ na-alụ ọgụ.

**iii. Mgba**

Mgba bụ nwa nke abụọ Eze ọgara ọlụ n'afọ lọta n'afọ mụtara. Akụkọ kọwara na ọ bụ etu ahụ ọgụ nwanne ya si ejegharị na-alụ ọgụ ka mgba sikwa ejegharị agba mgba ma mmadụ ma anụmanụ ka ya na ha na-agba mgba.

### 2.3.2 Agwa ụfọdụ pụtara ìhè*n'Elelịa Na Ihe O Mere*

**i. Elelịa**

Elelia bụ isi a hụrụ kwaba okpu n'akwụkwọ a. Elelia bụ naanị nwa Maazị na Oriakụ ụkpaabị nke Asan mụtara. ọ bụ ya bụ na nne na nna ya na-eje eje, na-ala ala. N'ihi nke a, ọ jụrụ ije soro Eze Amaghị-ihe-ọma biri. Achara (ENIOM, 1989: 10) kwuru na, "Elelia bụ onye mmadụ niile na anụmanụ niile hụrụ n'anya n'ihi obi ebere ya."

**ii. Eze Amaghị ihe ọma**

Eze amaghị ihe ọma bụ eze na-achị obodo Asan dị na Krọsụ Riva. Dị ka aha ya si dị, Ọmaghị ihe ọma. Ọ bụ eze ejighị ndị ọ na-achị kpọrọ ihe ọ bụla.

**iii. Nnụnụ**

Nnụnụ bụ agwa ọzọ pụtara ihe nke odee akwụkwọ a. N'ebe a, odee kọwara nnụnnụ dị ka ihe na-ekwu okwu. O ziputara etu nnụnnụ si kpọọ Elelia oku.

**iv. Afọ-Afọ**

Afọ-afọ bụ agwa ọzọ pụtara ihe *n'Elelịa Na Ihe O Mere.* O dee kọwaọrọ ekereke a dị ka nke na-eri naanị nri. O nwere ike iricha nri niile dị n'ụwa na-achọ ọzọ.

**v. Anya-Anya**

Anya-Anya bụ ekereke odee ziputara dị ka nke nwere ike ịnọ ebe ọ bụla hụ ihe na-eme na mpaghara ụwa ọ bụla.

**vi. Atimkpara**
Na nkọwa odee nyere agwa a, ọ sị na,

> Ọ dị ogologo karịchaa mmadụ niile bi n'elu ụwa. ọ dịghị mmiri ọ bụla nke ọ na-adịghị eji ụkwụ agafe n'ihi na etu ọ bụla mmiri siri dị ogbu, dịkwa omimi ọ gaghị eru ya n'afọ, ọ bụrụ na ọ dilara n'okporo ụzọ, naanị isite n'ebe ụkwụ ya dị rue ebe isi ya dị ga-ewe oje ije ihe dị ka ụbọchị asaa. (Achara, ENIOM, 1989: 20 & 59).

**vii. ọkpụ-Nkọ-Ntị**
Na nkọwa odee nyere agwa a, ọ sị na,

> Ọ bụ mmadụ nke gbara gharịị n'omume ya, ọ dịghị ebi otu ebe, naanị ihe bụ ọrụ ya bụ ijezu elu ụwa, ebe ọ bụla o ruru, ọ bụrụ na ndị bi n'ebe ahụ enweghị mmiri, o mee ka ha nwee mmiri site na ikpupu okpu nke dị n'akụkụ ntị ya, mgbe ahụ mmiri ga-esi n'akụkụ ntị ya wụpụta. Mgbe ụfọdụ, ọ bụrụ na ụmụ mmadụ na-achọ ka o gosi ha onye ọ bụ, ọ ga-adaba n'ime mmiri otu mmiri ahụ siri dị ukwu. ọ ga-aṅụtacha ya, burukwa nke ọ ṅụrụ n'ime afọ ya.

**viii. Ntị-Anụnụ**
Na nkọwa odee,

> Ọ bụkwa site n'etu o si anụ ihe e kwuru kpatara e jiri sị na o sitere n'agbụrụ anụ ọhịa nke a na-akpọ "Aghụ" pụta. Aghụ adighị anụ okwu ọ bụla nke e kwusiri ike, ma ọ bụrụ na e kwuo ya n'izu, ọ ghaghị ịnụ ya. Ntị anụnụ ahụ na-enwe ike anụ ihe onye nọ ihe dị ka ọgụ maaịlị ise kwuru. E kwuru sị na ọ bụ ifufe na-ebutere ya okwu niile n'ihi na ihe ndị a ọ na-anụ abụghị ihe e kwuru n'olu ike, kama ọ bụ ihe ndị e kwuru n'olu nro. (Achara, ENIOM, 1989: 19 & 61).

Achara ji agwa ndị a e zipụtara n'elu zipụta njiamaatụ dị iche iche.

## 3.0 Nzipụta njiamaatụ n'akwụkwọ ndị a họọrọ

## 3.1 Nzipụta njiamaatụn'*Ala Bingo*

### i. Eze ọgara ọlụ n'afọ lọta n'afọ

*N'Ala Bingo,* odee kọwara Eze ọgara ọlụ n'afọ lọta n'afọ dị ka ọgaranya bi n'elu igwe, birikwa n'Ala Bingo. ọzọ bụ na ọ bụ ya na-eme ka e nwee udu mmiri na ọkọchị. Nke a pụtara ihè n'akwụkwọ a, (AB, 1981:3), "ọtụtụ mgbe ọ na-agba mmadụ niile ghariị otu anyị si enwe ihe a na-akpọ, ọkọchị na udummiri. Ọ bụ onye eze a na-eme ihe niile ndị a."

Aha eze a na-aza na ihe ọ na-eme gosiri na o nwere ike pụrụ iche iche eke kere ụwa nyere ya, nke mere o ji abụ ọ laa n'elu igwe mmiri ezowe n'ụwa, ọ gbadata n'ụwa e nwee ọkọchị. Nke a pụtara na eke kere ụwa na-enye mmadụ niile onyinye etu o siri masị ya. ọzọ bụ na etu odee si zipụta agwa a ga-eme ka mmadụ chemie echiche ime gbasara ọdịdị udu mmiri na ọkọchị anyị na-enwe n'ụwa a. ọzọ dị ka ibe ya bụ na ihe mere ọgara ọlụ n'afọ lọta n'afọ ka o jekwuru ohu ya ọ chụpụrụ achụpụ. Nke a bụ njiamaatụ na-egosi na mpako na mmegbu adighị mma n'ihi na ụwa enweghị onye o zuoro oke.

### ii.Ọgụ

Ọgụ bụ diọkpara Eze ọgara ọlụ n'afọ lọta n'afọ.ọ bụ akatamkpo mmadụ. Ihe ya niile pụrụ iche. ọ naghị eri nri etu mmadụ nkịtị si eri. Dị ka aha ya si dị, naanị ọgụ ka ọ na-aga ebe niile alụ. Lee ihe odee dere maka ya,

> Ọ naghị eri ihe mgbe niile kama ọ na-eri n'afọ n'afọ. Ihe dị ebube n'ahụ ya bụ mgbe ọ gaje iri, ọ na-ericha ihe nnụ mmadụ enweghị ike iricha. Ọ naghị eji iko ma ọ bụ mpi anụ aṅụ mmiri kama ọ bụ ihe dị ka ihe ndị Bekee na-akpọ tankị e ji adọba mmiri ka o ji aṅụ mmiri, mgbe ọ bụla e sichara nri ihe ọ na-eme bụ idieru ala okorobia iri na abụọ aka siri ike achịrị ọgụ Bekee na-akpọ 'spade' ekuru nri ahụ awụnye ya n'ọnụ. ọ bụrụ na ọ chọba ịṅụ mmiri ha niile etinye aka buru mmiri nke juru n'ite mmiri na-agbaị ya n'ọnụ tutu ha agbaịchaa ihe dị ka ohu ite mmiri. Ndị ịnyom ndị na-egwere ya anwụrụ nke ọ na-akpọ dị ọgụ ndị iyom ise. ọgụ na-eje ebe niile na-alụsị ihe ọ bụla nke ọ hụrụ ọgụ na-egbukwa ha, ma mmadụ ma anụmanụ. Otu n'ime ihe o mere siri ike bụ itigbu ọdụm n'aka. ọdụm bụ anụ nke ọtụtụ mmadụ kwuru na ọ bụ anụ kachasị anụ niile ike, ọdụm na-egbu agụ. (AB, 1981:20)

Site na nkọwa odee akwụkwọ a nyere gbasara ọgụ, a ga-ahụ na ihe niile ọ kọwara gbasara ya abụghị ihe e ji amata mmadụ nkịtị. Naanị na nrọ ka mmadụ nwere ike ịhụ ụdị ihe dị etu a. Ya mere nke a bụ njiamatụ nya ọgụụ iji mata na onye ọ bụla nọ n'ụwa nwere ihe ọ dị mma na ya.

**iii. Mgba**

Mgba bụ nwa nke abụọ Eze ọgara ọlụ n'afọ lọta n'afọ mụtara. Akụkọ kọwara na ọ bụkwa etu ahụ ọgụ nwanne ya si ejegharị na-alụ ọgụ ka mgba si ejegharị agba mgba ma mmadụ ma anụmanụ ka ya na ha na-agba mgba. "N'ala ndị ojii niile ọ bụrụ na mmadụ na-agba mgba nke ukwu a na-ajụ ya sị: "{ bụ adaka?" Adaka bụ anụ ọhịa dị ike mgba karịchaa anụ ọ bụla na mmadụ ọ bụla, ma naanị onye jidere ya na mgba bụ nwa eze aha ya bụ Mgba." ( AB, 1981:23)

Odee zipụtara njiamaatụ site n'iji agwa mgba kọwapụta nke a n'ihi na mmadụ ma ọ bụ otu onye apụghị ijide nwa adaka naanị ya. N'ebe a Mgba nwere ike iziputa onye aka siri ike na mgba n'otu obodo, Adaka abụrụ onye ọzọ azụ ya adịghị eru ala n'obodo ọzọ. Nzipụta njiamaatụ a ga-eme ka ọgụụ chee echichi gbasara uru mmadụ nwere ike ịba n'obodo.

## 3.2 Nzipụta njiamaatụ n'*Elelịa Na Ihe O Mere*

**i. Elelịa**

Odee ji agwa a zipụta ihe dị iche iche a na-ahụ n'ụwa ma ta a ma echi. Ihe ndị ahụ gụnyere; ogbenye, umeala, obi ebere na ịgba mbọ. "Elelia bụ onye mmadụ niile na anụmanụ niile hụrụ n'anya n'ihi obi ebere ya." (ENIOM, 1989: 10)

Nke a apụghị imenwu eme n'ihi na, n'ezie mmadụ nwere ike ịhụ mmadụ ibe ya n'anya mana anụmanụ amaghị ihe bụ ịhụnanya ya bụ na odee a sitere n'ụzọ a wee zipụta njiamaatụ ụdị ịhụnanya na ihu ọma dị n'ebe Elelia nọ. Nke a bụ iji zi ọgụụ na ekereke dị iche iche nwere ike ịrụkọ ọrụ ọnụ iji nyere aka na mbọ ọ na-agba dị ka mmadụ.

**ii. Nnụnụ**

Nnụnụ bụ agwa ọzọ pụtara ihe nke odee akwụkwọ a bụ D.N. Achara jiri zipụta njiamatụ, n'ihi na ọtụtụ agwa dị iche iche ka nnụnụ a kpagasịrị bụ agwa nnụnụ ekwesighị ịkpanwu. "Nnụnụ ahụ wee sere n'elu mmiri, kpọọ ya oku. ọ chọrọ ịgba ọsọ, nnụnnụ ahụ kpọsie ya oku ike, gwakwa ya ka o chere. ọ sị ya na site n'ihi ebere ya n'ebe ụmụ anụmanụ nọ ka ya na-achọ inyere ya aka na mmekpa ahụ nke ọ nọ n'ime ya." Achara (ENIOM, 1989: 11&12). Nke a zipụtara na akparamagwa mmadụ na-akwara ya ụzọ.N'ebe a, dị ka a maara, na ụmụ anụmanụ anaghị ekwu okwu mana odee kọwapụtara na Nnụnụ kpọrọ Elelia oku.

**iii. Amaghị-ihe-ọma**

Amaghị-ihe-ọma bụ eze, dị ka aha ya siri dị, ọ chọghị ịma ihe ọma ọ bụla, ọ bụ eze ndị Asan. Dị ka akụkọ siri kọọ, ọ chịnyere onye ìsì agwọ n'akpa ya n'ihi na ọ chọrọ ka ọ nwụọ. ọ bụkwa ya nyere Elelia kalarị ka o dotere ya n'ihi na ọ chọkwara Elelia ọnwụ.

N'ebe ndị a ka o ziputara njiamaatụ site n'ụdị agwa ọ kpagasịrị.

> Abalị niile, Amaghị-ihe-ọma aghọọ oke, na-epiogharị ebe niile, na-achọ ebe Elelia ga-ezo kalarị ahụ. ọ dighị ebe ọ chọghị ya, ma ọ hụghị ya. e mesia, o jebe n'ime ọhịa gbara ụlọ Elelia ha gburugburu ma n'ime ọhịa diketere mmiri nke dịkwa n'ala ahụ. Ma ha niile bụ n'efu, n'ihi na kalarị adighị n'ime mmiri ma ọ bụ n'ime ọhịa. N'ikpeazụ, echiche ya wee gaa n'ebe ihe ukwu ahụ a kwụwara n'elu ụlọ Elelịa dị. (Achara, 1989: 7)

Odee akwụkwọ a zipụtara njiamaatụ site n'iji agwa Eze amaghị ihe ọma wee gosipụta nke a n'elu dị ka o siri kwuo, mmadụ agaghị aghọnwu oke n'abụghị ma onye ahụ abụ amosu. Nke a gosiri na mmadụ nwere ike ime ihe ọ bụla iji menwute onye ọ kpọrọ asị.

**iv. Afọ-Afọ**

Afọ-afọ bụ agwa ọzọ pụtara ìhè nke odee jiri were zipụta njiamaatụ n'akwụkwọ ya. ọ bụ onye na-akpa ike n'ebe nri dị.Odee gosipụtara nke a n'ebe o kwuru na:

> Ihe mbụ Nwọọgụ mere bụ isi nri otu o chere na e mee elu, mee ala, ọ dighị otu onye eke kere nwere ike iricha ya. Ọ sị na ya na-achọ ka Elelịa ma ọ bụ onye ọ ga-ahọpụta richaa nri ahụ niile. Afọ-afọ kwụpụta si n'isi richapụ ihe niile nke bụ na ọ fọdụrụ ihe nta ka ọ takọta ite e jiri sie ofe na ọkụ na ikwe e ji tinyere ya ụtara na ji. (Achara, ENIOM, 1989: 58)

**v. Anya-Anya**

Achara jikwa agwa a zipụta njiamaatụ n'akwụkwọ a, n'izizi aha a abụghị aha mmadụ nkịtị na-aza, lee ka Anya Anya si arụ ọrụ, "Anya anya ma ọ bụ 'Anya waa akpa' pụta sị "Lekwa mgbalaka ahụ n'etiti ahịhịa nke dị n'ala mmiri." (ENIOM, 1989:59).

**vi. Atịmkpara**

Atịmkpara dị ogologo karịcha ihe niile e kere eke n'ụwa a. Osimiri anaghị abụrụ ya osimiri n'ihi na ọ bụ n'afọ ka ọ na-eru ya.

> Ọ dị ogologo karịchaa mmadụ niile bi n'elu ụwa, ọ dịghị mmiri ọ bụla nke ọ na-adịghị eji ụkwụ agafe n'ihi na etu ọ bụla mmiri siri dị ogbu, dịkwa omimi ọ gaghị eru ya n'afọ, ọ bụrụ na ọ dilara n'okporo ụzọ, nanị isite n'ebe ụkwụ ya dị rue ebe isi ya dị ga-ewe oje ije ihe dị ka ụbọchị asaa. Atimkpara rịbaa n'ime osimiri. Tibanye aka ya n'ime mmiri ahụ gụpụta ya bụ mgbalaka. (ENIOM, 1989:20 & 59)

Site n'ihe ndị a odee kwuru n'elu, a ga-achọpụta na ihe niile o kwuru bụcha ihe ndị apụghị ime n'ụwa a na-ahụ anya n'ihi na anyị maara na mmadụ apụghị ito ụdị ogologo ahụ odee na-akọwapụta.

**vii. Ọkpụ-Nkọ-Ntị**

Ọkpụ nkọ ntị bụ ekereke nwere ike ịgbọ mmiri ga-emebe osimiri ma ọ bụ ṅụchaa mmiri karịrị osimiri.

> …. Ebe Nwọọgọ meziri akwa ha ga-arahụ ụra bụ n'elu ite igwe ukwu nke dị ka njini, ma ọ bụ ite igwe ukwu ahụ ebe a na-afụ ọkụ n'ụgbọ ala. N'etiti abalị, ọ bata mgbe onye ọ bụla na-amaghị, kpọrọ nwa ya jee dewe n'agwa etiti dị na 'a ghara mba a gaa mba'. ọkụ malitere ire n'ime ite ukwu ahụ, Elelia na ndị otu ya kwawa akwa n'ihi na ha amaghị onye gaje ịzọpụta ha. Okpu-nko-ntị sị ha ka ha ghara inye onwe ha mmekpa ahụ n'ihi na ya nọ n'ebe ahụ, na ọ ga-abụ oke ihe ihere ma ero gbuo nwa nna ya bụ Dibia, mgbe ite igwe ahụ malitere ịnụ ọkụ nke ukwuu, ya kpupu okpu ya, mmiri si ya na ntị nuputa, menyụọ ọkụ ahụ niile. (Achara, ENIOM, 1989: 21 & 59).

E lee anya n'ihe niile odee kọwapụtara n'ebe a, ị ga-ahụ na ọ bụ ihe agaghị emenwu eme n'ihi na onweghị ka ntị mmadụ ga-esi gbapụta mmiri ga-emebe osimiri ma ọ bụ gbanyunwuo ọkụ na-enwu enwu. Ya bụ na o ji agwa a zipụta njiamaatụ n'akwụkwọ a.

**viii. Ntị-Anụnụ**

Ntị Anụnụ na-anụ ihe ọ bụla mmadụ kwuru na nzuzo, n'agbanyeghị ebe a nọ kwuo ya. Nke a pụtara ìhè n'akwụkwọ a gụrụ.

> E kwuru sị na ọ bụ ifufe na-ebutere ya okwu niile n'ihi na ihe ndị a ọ na-anụ abụghị ihe e kwuru n'olu ike, kama ọ bụ ihe ndị e kwuru n'olu nro. Ntị-anụnụ gwara Elelia na ndị otu ya sị na a chọba a hụ akọbeghị n'akpa dibia, ha emela oke mkpọtụ, ka yaňaa ntị, mara ebe nwa ahụ na nne ya nọ na-ekwu okwu. Ọ dighị anya ọ tụọ aka n'agwa etiti ebe mmadụ abụọ ndị a nọ. (Achara, ENIOM, 1989: 19 & 61).

E lee anya n'aha niile ma ọ bụ agwa niile ndị a Achara jichara zipụta akụkọ njiamaatụ n'akwụkwọ ya nke nwanchọcha depụtachara n'elu, anyị ga-ahụ na etu odee akwụkwọ siri kọwachaa agwa ma zipụta agwa niile a, ọ ga-ekwe anyị ghọta na aha ndị a abụghị aha mmadụ nwere ike ịza n'ụwa mmadụ, akparamagwa ha na ihe ha pụrụ ime bụ ihe ndị mmadụ nkịtị enweghị ike ime. Nke a zipụtara na agwa ndị a na-egosi ihe ka mmadụ ike nke nwere ike inyere mmadụ aka n'ụzọ dị omimi iji mejuputa ebumnobi mmadụ. Ihe ndị a na-eme ka ọgụụ chemie echiche ime iji cheta ihe e nwere ike iji tụnyere agwa ndị a nyeere Eleliạ aka na ndụ mmadụ n'ụwa a.

## 3.3 Echiche ụfọdụ odee ji zipụta njiamaatụ

Odee dị iche iche na-esite n'echiche dị n'akụkọ ha na-akọ na-arụgara ihe ụfọdụ na-eme n'ụwa aka. ọ bụ ihe nrụgara aka ndị a ka njiamaatụ na-eme ka mmadụ mata site n'iji echiche odee ziputara n'akwụkwọ ya tụnyere ihe na-eme n'ụwa a na-ahụ anya. N'akwụkwọ abụọ e ji mee nchọcha a hụtara mmetụta n'etiti echiche ndị odee ji mee ngosi na ihe ndị na-eme n'ụwa taa.

**i. Amamihe**

D. N. Achara zipụtara echiche amamihe n'akwụkwọ abụọ ndị a họọrọ. Eleliạ bụ nwata gosipụtara oke amamihe n'ihe niile ọ na-eme nakwa na mmekọrịta ya na ndị ọzọ. ọ bụ site n'amamihe ya na enyemaka ndị ọzọ ka o ji merie Eze amaghị ihe ọma. Echiche a pụtakwaraìhè*n'Ala Bingo*. Ndị odibo Eze ọgara ọlụ n'afọ lọta n'afọ zipụtara amamihe site n'ịgwa nna ha ukwu okwu oge o ji iwe sị naya agaghị aga ịhụ odibo ya ziri ka ọ bịa. ọzọ bụ na ọkpara eze, ọgụ zipụtara amamịhe oge nna ha nyere ha nnwale.

**ii. Ogologo ntachi obi**

N'*Elelịa na Ihe O Mere*, odee zipụtara Elelịa dị ka nwata nwere ogologo ntachi obi. Nke a pụtara ihe na mmekọrịta ya na Eze amaghị ihe ọma. N'agbanyeghị nhịamahụ Elelịa na-agabiga n'ihe niile eze sị ya mee, ọ tachiri obi na-eme ihe ndị ahụ niile. Ebe ọzọ odee ziputara echiche a bụ n'Ala Bingo, oge Eze ọgara ọlụ n'afọ lọta n'afọ chọrọ ịhụ, jide ma lụọ ada eze bi n'osimiri Bingo. O nwere ntachiobi ganye na ebumnobi emezuo.

**iii. Mpako**

Mpako pụtara ìhèna ndụ eze ndị a hụtara n'akwụkwọ abụọ a họọrọ maka nchọcha a. *N'Ala* Bingo, Eze ọgara ọlụ n'afọ lọta n'afọ chọrọ ka ọ bụrụ naanị ya bi n'ala Bingo. Nke a mere o ji chee na onye nwe nzọ ụkwụ ọ hụrụ bụ onye nwere ike ịbịa lụso ya ọgụ nara ya ala ahụ. O zipụtkwara mpako oge ohu ya gwara ya ka ọ bịa nara ozi. Nke gaara anapụ ya nwunye ya n'ihi na o ji mpako wee jụ ịga za ohu ya oku ọ kpọrọ ya iji gwa ya ihe ọ ga-eme iji jide nwaagbọghọ ahụ bi n'osimiri Bingo, ganye na ndị ohu ya ndị ọzọ arịọ ya arịrịọ. Lee ihe o kwuru (AB: 15) "ọ bụchakwa n'ihi na m na-achọ ịlụ nwanyị a ka m ga-eji za oku nile ndị bụ madụ nandị na-abụghị madụ kpọrọ m? Agaghị m aza oku nke a."

**iv. Ihu ọma**

N'*Elelịa na ihe o mere*, odee ziputara enwem ihu ọma. Elelia nwere ihu ọma n'ebe mmadụ na ekere ụwa ndị ọzọ nọ. A hụtara ihu ọma a nandụ Elelịa n'oge na ogo dị iche iche. Nke mbụ oge Eze amaghị ihe ọma gwara ndị odibo ya ka ha legide Elelịa anya mata oge ọ dara iwu: Achara (ENIOM, 1986:5) "Mmadụ ndị a niile ọ kpọtara aṅaghị ya ntị, n'ihi na ha niile bụ enyi Elelia".

N'ụwa ta a, mmadụ nwere ike inwe ụdị ihu ọma dị etu a nke na ihe na-agara ya karịa ka o si agara ibe ya. Nke mere Igbo ji sị na agbaka m mbọ bụ nri ọnụ, ọ bụ Chukwu na-enye akụ. N'*Ala Bingo*, Eze ọ gara ọlụ n'afọ lọta n'afọ nwetara ihu ọma n'aka nna nwaagbọghọ ahụ bi n'osimiri Bingo, o wee kọọrọ ya ihe niile ga-eme ka o jide Ada eze.

**v. Mmegbu**

Nke a pụtara ìhè n'akwụkwọ ndị a họọrọ, o zipụtara mmetụta njiamaatụ n'ụwa a na-ahụ anya n'ihi na a na-ahụkarị nke a n'aka mmadụ dị iche iche. ọtụtụ oge ka ọtụtụ mmadụ na-enweta mmegbu n'aka ibe ha n'ụwa a na-ahụ anya, ọkachasị n'ebe ndị ji ego karịa ibe ha ma ọ bụ ndị nwere ihe karịa ibe ha nọ. Ha chọpụta na mmadụ ahụ enweghị onye na-ekwuru ya ọnụ ya nke a ga-enye ha nfum obi ime onye dị etu a etu o si masị ha dị ka anyị hụrụ n'ebe Elelịa na Eze amaghị ihe ọma nọ nakwa n'ebe ọgara ọlụ n'afọ lọta n'afọ na ndị ohu ya nọ. ọ

bụ n'ihi na ọ chọpụtara na Elelịa si n'ezinaụlọ enweghị ka ọha ha ka o ji emegbu Elelịa.

N'*Ala Bingo,* a hụrụ mmegbu n'etu ọgara ọlụ n'afọ lọta n'afọ si emeso ndị ohu ya. Onye daa n'ọrịa o dote ya n'ọhịa, ebe naanị ya ga-anọ. Ma onye dị etu a ọ nwụrụ anwụ ma ọ dị ndụ abụghị ihe ọ chọrọ ịma.

## 4.0 Nchịkọta na Mmechi

### 4.1 Nchịkọta nchọpụta

N'ederede nchọcha a, e sitere n'ileba anya n'akwụkwọ akụkọ abụọ, *Ala Bingo* na *Elelia na ihe O mere* nke D.N. Achara dere wee zipụta njiamaatụ n'akwụkwọ agụmagụ Igbo. Agwa dị iche iche pụtara ìhè n'akwụkwọ Igbo ndị a họọrọ zipụtara njiamaatụ.Agwa ndị a gụnyere Nnụnụ, Afọ Afọ, Atịmkpara, ọkpụ nkọ ntị bụ ndị o ji zipụta na o nwere ihe ndị karịrị mmadụ na-enyere mmadụ aka na njem ya n'ụwa; Elelịa nandị ohu ọgara ọlụ n'afọ lọta n'afọ, bụ agwa odee ji zipụta ndụ nwa ogbenye; Eze Amaghị-ihe- ọma na ọgara ọlụ n'afọ lọta n'afọ, bụ njiamaatụ ọgaranya na ndị ọchịchị.

Amamihe, ogologo ntachi obi, ǵhx̀, ihe ọma, mmegbu, bụ echiche odee zipụtara n'akwụkwọ abụọ a iji gosi mmetụta njiamaatụ n'ụwa a na-ahụ anya.

### 4.2 Mmechi

Site na ntụcha e mere n'elu, a hụtara na agụmagụ Igbo na-ezipụta njiamaatụ dị iche nke na-enye aka ahazi echiche ndị Igbo. Edemede a mezuru ebumnobi ya bụ izipụta njiamaatụ dị dị iche iche D. A. Achara ziputara n'akwụkwọ ya ndị a họọrọ. A tụrụ anya na nchọcha ga-enyere onye ọ bụla na-agụ agụmagụ Igbo aka ichemi echiche ime iji nwetacha ogiri na ụkpaka dị ime akwụkwọ dị etu a.

## Edensibịa


Abrams, M. H. & Harpham, G. G. (2012). *A glossary of literary terms*. Wadsworth: Cengage Learning.

Achara, D. N. (1981). *Ala Bingo*. Ibadan: Longman Nigeria.

Achara, D. N. (1989). *Elelia na Ihe O Mere.* Ibadan: Longman Nigeria.

Amberg, J. S. & Vause, D. J. (2009). *American English: History, structure and usage*. Cambridge: Cambridge University Press.

Canfield, J. V. (1981). *Wittgenstein: Language and world*. Amherst: University of Massachusetts Press.

Emenanjọ, E. N. (1989). *Atụmatụ Agụmagụ na Atụmatụ Okwu.* Zaria: Longman Nig.

Fromkin, V. Roadman, R. & Hyams, N. (2014). *An introduction to language*. Wadsworth: Cengage Learning.

Ibitola, A. O. (2015). *Essential Literature in English for Semon Secondary School.*Lagos: Tonad Publishers.

Nwadike, I. U. (1992). *Ntọala Agụmagụ*. Nsukka: Ifunanya Publishers.

Obidiebube J. I. (2011). *Amụmamụ Ozuruoha Igbo 2*. Nsugbe: General Studies
Department, Homer & Hammer.

Odii B. C, Okeke C. O, Onu J. C, Prezi G. O, Ugwuona C. N, (2013). *Igbo Adị, Igbo – English, English-Igbo Dictionary of Linguistics and Literary Terms.* Nsukka: University of Nigeria Press Limited.